Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.9 No.1 March, 2026; pg. 1 – 11; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

MMETỤTA MMEKỌRỊTA ỤMỤAKWỤKWỌ NA NDỊ NKỤZI NA-ENWE N'ỌMỤMỤ ASỤSỤ IGBO NA SEKỌNDỊRỊ UKWU DỊ NA MPAGHARA NSỤKA NA STEETI ENUGWU

JOY IFEADỊKANWA OBAYI, Ph.D
Humanities Unit, School of General Studies/Arts Education, Faculty of Education
University of Nigeria, Nsukka
joy.obayi@unn.edu.ng
08065132008

Ụmiedemede

Nchọcha a lebara anya na mmetụta mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na mmụta asụsụ Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu na mpaghara Nsụka nke steeti Enugwu. A jụrụ ajụjụ nchọcha anọ iji chọpụta mmetụta a. Ọ bụ nleghariadịm nkọwa ka e ji mee nchọcha a. Ndị e ji mee nchọcha dị otu narị nke e siri n'ụlọakwụkwọ iri n'ime ụlọakwụkwọ iri atọ na abụọ dị na Nsụka. E jikwa nka n'usoro nsere tụmbọm tụmbọm were sere ụlọakwụkwọ na ụmụakwụkwọ e jiri mee nchọcha. Ọ bụ njụmaaza bụ ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha nke e kewara ụzọ anọ. E nyochakwara ngwa nchọcha ma nye ntụzi aka na ya nke nyere aka na nchọcha a. A chọpụtara na ihe ndịa bụ ihe na-emetụta ụmụakwụkwọ mgbe ha na-amụ asụsụ Igbo. Nke mbụ bụ mmetụta na nkwado onye nkụzi na-enye ụmụakwụkwọ mgbe ha na-amụ ederede n'Igbo, ndị nkụzi ikwanyere ụmụakwụkwọ ugwu mara na ha bụ mmadụ, onyenkụzi na ụmụakwụkwọ ịkparịtaụka ka ha ghọta ihe ụmụakwụkwọ chọrọ ka ha ghọta site n'ịgbaziri ha ụzọ na ige ha ntị; onyenkụzi ịbụ onye ụmụakwụkwọ nwere ike ịbịakute jụọ ase; onyenkụzi ibụ onye ga-eme ka klaasị na-adị ụtọ ịbata gee ntị, sonye n'ịsa ajụjụ na mmekọrịta ụmụakwụkwọ na ibe ha na-eme na klaasị. Mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-enye aka ka ndị nkụzi na-amata ụmụakwụkwọ ha nke ọma, mara ebe onye si abịa na otu ndị obodo ahụ si eme omume. Ntụnye aro ga-akwara sị na ọ dị mkpa ihụ na mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ gara n'ihu n'ihi ezi mkpụrụ ọ na-amịpụta site n'ịgba mbọ hụ na e nwere nkụzi maka iwulite mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ site n'ime ka a mara mkpa ọ dị inwe ọmịiko, ige ntị, mkparịtaụka ya na nka nkụzi dị iche iche e ji eme ka mmụta dị ire na klaasị.

Igodo okwu: Asụsụ Igbo, Mmekọrịta, onyenkụzi, ụmụakwụkwọ, ụka nkụzi.

Mkpọlite

Mmụta bụ otụ akụkụ mmadụ si enwe ọganiihu. Ọ bụrụ na e nwee ezi ntọala maka mmụta, a na-enwe ezi mmụta. Ọ bụ ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ mgbe ha zukọrọ n'ụzọ ziri ezi ma nwee ezi nkụzi na ọmụmụ na-eme ka mmụta dị ire (Verger, Alteinyeikan na Noveli, 2018). Mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ nakwa ụmụakwụkwọ na ụmụakwụkwọ dị ezi mkpa mgbe a nọ n'ụlọakwụkwọ ka mmụta nwee ike ịga nke ọma ka ụmụakwụkwọ nwekwaa mmasị ịmụ akwụkwọ ma mụta ya dị ka o kwesịrị. Nke a kpatara na mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị ezigbo mkpa n'ụlọakwụkwọ.

Ndị nkụzi bụ azụ maọbụ ngwu (piller) ji mmụta n'obodo anyị. Ọ bụ ya ka *Federal Repuplic of Nigeria* (2014) maọbụ nashọnal polisi n'edukeshọn ji sị na onweghị mmụta ga-aga n'ihu karịa

ụdịrị ndị nkụzi ha nwere. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ọganiihu nwata akwụkwọ ọ bụla bụ ka onyenkụzi siri hazie ya, ya na ụlọakwụkwọ nwata ahụ. Ndị nkụzi kwesịrị ka ha na ụmụakwụkwọ ha na-enwe ezi mmekọrịta, na-akpakọrịtaụka ka e wee nwee ezi mmụta nke ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ (Downer, 2012). Ndị nkụzi kwesịrị ka ha na-elezi ụmụakwụkwọ ha anya nke ọma na-ama mgbe e nwere mgbanwe n'ọnọdụ ụmụakwụkwọ ka onye nkụzi ahụ gbanwee ụka ya ma soro ụzọ ọzọ, ka nghọta were dị n'ihe onye nkụzi na-akụzi. Oge ụfọdụ a na-enwe mgbagwoju anya n'ihe onyenkụzi na-akụzi mana ọ bụrụ onye ghọtara ihe na-eme, ọ ga-enye ohere ka nwata akwụkwọ ahụ jụọ ase nsogbu o nwere n'ihe a na-akụzi. Ọ bụrụ na nwata jụọ ase mgbagwoju anya o nwere, onyenkụzi kọwaara ya, ọ ga-enye aka na nghọta nwata ahụ ma nyekwara ụmụakwụkwọ ndị enweghị ike ikwupụta nsogbu ha ka ha ghọta ihe a na-akụzi nke ọma. Dị ka ndị nkụzi na-ewedata obi ala akụzi, otua ka nghọta ụmụakwụkwọ sikwa adị ire (Nurmi, 2014). Oge ụfọdụ ọ bụrụ nwata akwụkwọ ọzọ ga-akọwa ya ma onyenkụzi nye ohere ka nkea mee n'ihi na nwata akwụkwọ ọ bụla nwere mkpa mmekọrịta nwata akwụkwọ ibe ya dịka akwụkwọ Ilu (27:17 na 18) si kọwaa ya na onweghị onye ga-asị na ya enweghị mkpa onye ọzọ. Nkea pụtara na ụmụakwụkwọ na ụmụakwụkwọ dị mkpa inwe mmekọrịta.

Ụmụakwụkwọ bụ ndị nọkọrọ ọnụ maka mmụta n'ụlọakwụkwọ ma na-achụso otu mmụta ma ọ bụ nke ọzọ ebe a na-akụziri ha otu ihe maọbụ nke ọzọ. Ọ bụ ya kpatara Biggs na Tang (2011) jiri sị na ụmụakwụkwọ bụ ndị na-achụso ụkpụrụ mmụta, na-aga akwụkwọ na-emekwa ihe omume na nnwale niile e nyere ha ma na-echekwa ule iji gafee n'ogogo dị elu. Nwata akwụkwọ maọbụ ụmụakwụkwọ na-achụso ọganiihu site n'isonye n'ihe niile a na-eme n'ịgba ezi mbọ ha maka ọganiihu, Eggbohhan (2016) hụtakwara na mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-eme ka ụmụakwụkwọ mee nke ọma n'ule nakwa ihe ndị ọzọ.

Mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ dị ka ntọala ngọta omenala na ntọala amamiihe. Ọ bụ mmekọrịta na-eme ka a na-enwe nghọta ọdịnala na ka ndị si eme. Mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-ewuli usoro mmụta nakwa agamniihu. Ọ bụ mgbe nsọpụrụ si n'aka fere aka ka nwata akwụkwọkwụkwọ na-ejisi ike mụwa ihe o chere na-esiri ya ike ma nwee ọganiihu n'ime ya (kranea, Nessa, Holter-Sorensena, Karlsosona na Binderb, 2017). Mmekọrịta onyenkụzi na ụmụakwụkwọ na-enyere ụmụakwụkwọ aka ịmụta ihe ma mee ka ụmụakwụkwọ gaa n'ihu nke ọma (Stephanou na Doulkeridou, 2020). Nke a bụ eziokwu n'ihi na onyenkụzi na ụmụakwụkwọ na-akparịta nke ọma, ụmụakwụkwọ agaghị atụ egwu ịjụ onyenkụzi ajụjụ ihe na-agbagwoju ha na nkụzi ya. Oge ahụ e nwee ezi nghọta n'isiokwu a kụziri. Mana ọ bụrụ na e nweghị ezi mmekọrịta onyenkụzi na ụmụakwụkwọ ya, nke a pụrụ ime ka ụmụakwụkwọ kpọọ nkụzi onyenkụzi asị ma kpọkwa isiokwu a na-akụzi asị nke nwere ike imetụta ndụ nwata akwụkwọ ahụ gatee aka.

Ọ dị ezigbo mkpa iwuli mmọọ ụmụakwụkwọ elu ma ime nke a gụnyere: ime ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị, inye ụmụakwụkwọ ihe omume ga-eme ka ahụ mbọ ha gbara n nnwale ahụ. Otua ka Adeoye (2013) jiri kwuo sị na ụmụakwụkwọ ha ezi mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-egosi ogogo nwata akwụkwọ ahụ ga-eru. Ọ bụ ka Roorda, Koomen, Spilt na Oorta (2011) kadoro na nkwado onyenkụzi nye ụmụakwụkwọ na-eweta nnukwu ọganiihu nye ụmụakwụkwọ. Ebe ụmụakwụkwọ kwenyere na nsogbu ọ bụla nwata akwụkwọ nwere na onyenkụzi ha maara maka ya na ọ ga-egboro ha mkpa ahụ. Nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwee obi ike ịgakwuru onyenkụzi ma kọsara ya mkpa ya.

Ezi mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ jupụtara na nsọpụrụ, ntụkwasị ya na ezi mkparịtaụka. Nke a ga-eme ka e nwee nkukọrịta okwu, njụta ajụjụ nakwa mgbazi ụzọ. Ọ bụghị naanị maka mmụta akwụkwọ ka mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ji dị mkpa mana mmekọrịta a dị mkpa maka mmekọrịta mmadụ na ibe ya; n'ihi na nke a na-amalitekwa n'ezinaụlọ ruo ụlọakwụkwọ ma bakwaa n'obodo. Nwata akwụkwọ enweghị ezi mmekọrịta na-abụ nsogbu nye obodo. Mmadụ agaghị atụkwasị ya obi, n'ihi agwa onye ahụ na-ezipụta. Nurmin (2012) na-ekwukwa na ndị nkụzi na-ewpụta ohere ime ka ya na ụmụakwụkwọ na-enwe mmekọrịta. Ha na-emekarị nke a mgbe ha hụrụ na ụmụakwụkwọ ha na-eme nke ọma. Mgbe ahụ onyenkụzi ahụ e nwee mmasị pụrụ iche n'ebe nwata akwụkwọ ahụ nọ. mmekọrịta a ga-agba nwata ahụ ụme. Nke a na-emekwa ka ụmụ akwụkwọ ndị ọzọ chọwa ka ha na onye nkụzi ahụ dị na mma. Mgbe onyenkụzi na-ege nwata akwụkwụkwọ ya ntị, ọ na-eweta ezi mmekọrịta n'etiti ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ. Nke a na-emekwa ka uche nwata dị n'ihe a na-akụziri ya. Ọ na-emekwa ka udo dị n'etiti ụmụakwụkwọ na ụmụakwụkwọ nakwa n'etiti ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi. Ọ ga-emekwa ka ụmụakwụkwọ na-enwe nkwenye na ndị nkụzi ma na ụmụakwụkwọ nwere uru ha bara. Obodo ebe arụnyere ụlọakwụkwọ enwekwaa udo n'abụghị ọgbaghara mgbe niile.

Ụlọakwụkwọ bụ ebe a na-akụziri ụmụntakịrị ihe n'ime ụlọakwụkwọ bụ ebe a na-akụziri ụmụntakịrị ihe n'ime ụlọ e kejichara ekeji n'ọnụ ụlọ dị ka ogogo nwata ahụ dị. ngaka, Openjuru na Mazur (2012), ụlọakwụkwọ bụ ebe akwadobere, hazie ya nke ọma ka ọ ga-esi bata ụmụakwụkwọ bido na ndị nta akaa, ruo n'ebe usoro mmụta zubere. O nwere usoro mmụta ndị ọzọga a na-amụkwa n'ụlọakwụkwọ dị ka mkpebi ndị ọka mmụta siri dị. Ọ bụ n'ụlọakwụkwọ ka ndị nkụzị na-anọ na-achịkọta ụmụaka, na-agbaziri ha ụzọ bụ ezi ụzọ nke na-eweta ọganiihu na ntụte pụrụ iche. Ọ na-ewetakwa mgbanwe dị iche iche n'ụdị nke ya. Ọ bụ n'ụlọakwụkwọ ka a na-egosi ụmụakwụkwọ ụzọ ziri ezi, omenala dị ka o kwesiri ka ọ dị na ezi akparamagwa dị ka obodo siri nabata. Ọ bụ ya ka Casteli, Barcelora na Bryant (2015) jiri sị na ụlọakwụkwọ na-eweta ezi ọnọdụ nke e ji akụnye amamiihe na nhọta n'ime ụmụakwụkwọ na-agbanyeghị ka ghọta ma ọ bụ ogogo amamiihe onye ahụ nwere. Ezigbo ụlọakwụkwọ na-emuli amamiihe ụmụakwụkwọ na-eme ka ha nwee nkwuwa okwu gbasara onwe ha nakwa ụlọakwụkwọ ahụ gụchaa akwụkwọ ha ma were ụlọakwụkwọ ahụ na-eme ọnụ. nke a dabara n'echiche Pianta, Hamre, na Alleb, (2012) nke siri n'ezigbo ụlọakwụkwọ na-ewuli ezi mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-enwe mmụọ ịgba mbọ wee mee nke ọma n'ule nakwa akwụkwọ ha niile. Mmadụ inwe ntọala asụsụ Igbo bụ asụsụ ara nne dị ezigbo mkpa na ndụ onye Igbo ọ bụla. Ọ bụ ihe jọgburu onwe ya na nwa amala Igbo amaghị ka e si asụ na ka e si ede asụsụ Igbo.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ara nne. Asụsụ e jiri mara ndị Igbo. agbụrụ enweghị asụsụ, agbụrụ ahụ chiri echi n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji amara ndị. Dị ka Ọfọmata (2015) jiri kwuo na asụsụ so n'omenala n'ihi na ọ bụ site n'asụsụ onye ka e ji ama agbụrụ ya. Onye amaghị omenala ya amaghị onwe ya. Ọ bụ site n'ezi mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ka ụmụakwụkwọ ga-eji nwee ezi nkwado ịmara omenala ha nke gbadoro ụkwụ n'asụsụ Igbo. dị ka Ugbor na Obayi (2024) si kwuo na asụsụ Igbo ngwa ndị Igbo ji enwe mmekọrịta, ma bụrụ nke ha ji ezipụta omenala, ọdịnala, nkụzi ọdịnala niile bido n'obodo ruo obodo. Nweke (2021) kwuo nke ya na asụsụ Igbo bụ ngwa dị mkpa e ji enyefe ntọala ebimdụ ndị Igbo. Iwuala (2021) kwuo nke ya na asụsụ Igbo na anwụzi anwụ n'ihi na ndị Igbo ahapụla asụsụ ha ma jeso asụsụ Bekee nke na-aga ha n'ọnụ ọsịịọ ịsụ. nke a bụ eziokwu n'ihi na ọ bụ ihe a na-ahụ na gburugburu ndị Igbo. Ọ bụ ya ka Oyịma (2022) jiri kwado sin a ndị tinyere ndị Igbo n'ọnọdụ a e ji asị na Igbo

na-anwụ anwụ bụ ndị ụka n'ihi na ndị Igbo jizi Bekee ezi oziọma n'ụlọaụka, usoro ọchịchị mbịara chịa, nzuruụwa, agwa ndị nkụzi na ndịisi ụlọakwụkwọ.

Asụsụ Igbo bara nnukwu uru dị ka Odo na Onwụka (2024) siri kọwaa ya na ọ na-enye aka ime ka ndị Igbo mata na ha bụ nwanne. Ọ bụrụ na ụmụaka na-asụ asụsụ Igbo, ha lata n'obodo, ọ ga-eme ka ha na ụmụnne ha na-enwe ezi mmekọrịta ghara ịdị na-akpa iche iche. Mark (2014) kwukwaa na asụsụ Igbo bụ ezigbo ngwa ọrụ n'ebe ịzụlite nwafọ Igbo dị n'ebe ihe gbasara amamiihe, ịdị uchu na ńka. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ndị Igbo bụ ndị nwereńka, ma ha na-eji aka etinye n'ọrụ niile ka na-arụ. Nke a mere ndị Igbo jiri dị iche n'agbụrụ ndị ọzọ n'ihi ńka ha ji arụ ọrụ. nwata akwụkwọ ọ bụla tinyere uchu n'ọmụmụ asụsụ Igbo tinyere ńka onynkụzi ga-etinye na nkụzi ya, nwata ahụ ga-eme nke ọma n'asụsụ Igbo.

Ụmụakwụkwọ bụ ndị bịakọtara ọnụ n'otu ebe ma ọ bụ n'otu ụlọ a rụrụ iji kụziere ụmụ mmadụ ihe n'ogo ọ bụla onye nọ na ya iji nwe mgbanwe na ndụ onye di otu ahụ. Ndị nkụzi bụ ezi ngwa ọrụ na-akwalite ọganiihu ụmụakwụkwọ ime ka mmụta dị ire na ndụ mmadụ. Ọ bụ ndị nkụzi bụ azụ ji ụlọ. ewezuga ndị nkụzi, mmụta ga-ahịa ahụ n'ihi na ọ bụ ha bụ isi sekpụ ntị nke bụ na ewezuga ndị nkụzi, ọmụmụ ihe agaghị adị ire.

Ezi mmekọrịta ndị nkụzị na ụmụakwụkwọ ga-eme ka ụmụakwụkwọ gaa n'iru. Ọ na-emekwa ka ụmụakwụkwọ dị uchu n'agụmakwụkwọ ha ebe ha maara nke ọma na ha nwere onye nkwado bụ onye nkụzi ha. Mana ihe a na-ahụ n'oge ugbua n'ụlọakwụkwọ dị na mpaghara Nsụka n'oge ugbua bụ na ụmụakwụkwọ enweghị mmasị n'ime Igbo kpam kpam, ma nsọpụrụ alaala n'ebe ndị nkụzi ha nọ n'ihi na ọ na-adị ka ndị nkụzi oleghaara ụmụakwụkwọ anya ma ha a na-eme Igbo ma ọ bụ na ha anaghị eme Igbo na ọgbasaghị ha. Nke a wee bụrụ ihe ịma aka n'ihu nye ndị Igbo niile ma nyekwa obodo anyị Naijiria n'ihi na atụmatụ ha wepụtara iji na-eme ka amụmamụ gaa n'ihu na Naijiria na ọ nakwaghị amịta mkpụrụ n'ihi ndoghachi azụ ụmụakwụkwọ ndị sekọndịrị ukwu na-enye ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị na mpaghara Nsụka dị na zoonu mmụta Nsụka.

Ndaghachi azụ ụmụakwụkwọ a n'ọmụmụ asụsụ Igbo na-adị ka ọ bụ enweghi ezi mmekọrịta n'etiti ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na mparara Nsụka. Nke a mere onye nchọcha jiri chọọ ka o leba anya n'ihe gbasara mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ka a mara ma e nwere mmekọrịta a n'etiti ha nke mere na ụmụakwụkwọ na-enwe ndaghachi azụ na mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Nzuruọha ebumn'obi nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta mmekọrịta, ndị nkụzi na ụmụakwkwọ na-enwe na mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo na mpaghara Nsụka n'ụlọakwụkwọ ukwu nke sekọndịrị. ma chọpụtakwa na nge nge:

1. Otu mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma n'asụsụ Igbo na sekọndịrị ukwu dị na mpaghara Nsụka.
2. Otu mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta ịgba mbọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.
3. Otu mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta uchu ụmụakwụkwọ na-adị n'ịmụ asụsụ Igbo.
4. Ihe na-eweta nsogbu na mmekọrịta nkụzi na ụmụakwụkwọ na mpaghara Nsụka n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Nchọcha ga-aba uru ma atụtụ ma mpụta ihe nye onye ọ bụla gụrụ ya ma e bipụta ya. N'akụkụ atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke Bandura mere n'afọ 1977 nakwa atụtụ nnyakụdo maọbụ mmekọrịta nke John Bolby na Mary Ainssworth tụrụ n'afọ 1960. Atụtụ Bandura siri na mmadụ na-amụta ihe maọbụ nwee mmasị imewe ihe onye ọzọ na-eme tụmadụ ọ bụrụ na omume onye ahụ a na-ele anya mara mma maọbụ na omume onye ahụ na-agba ume. Oge na-adịghị anya, onye ahụ na-ekiri ya ebido mewe ihe onye ahụ na-eme, na-amaghị na ọ na-akpazi agwa ka onye ahụ. Nke a metụkwara ọrụ a n'ihi na o kwesịrị ka ụmụakwụkwọ ṅomiwe ndị nkụzi ha n'ihe ha na-eme ka ha were mewe ihe a chọrọ ka ha mụta. Otua ka atụtụ nnyakudo maọbụ mmekọrịta nke John Bolby na Mary Ainssworth siri metụta nchọcha a n'ihi na ụmụakwụkwọ kwesịrị ka ha nwee ezi mmekọrịta n'etiti ha na ndị nkụzi ha, ma nyakụdo ha n'ahụ iji ghọta ihe ha na-ekwu na ihe ha na-eme ka ha were kpawa agwa otu onye nkụzi si akpa agwa. Maọbụ ịnyakụdo n'ahụ nwata akwụkwọ ghọtara ihe a na-eme, site n' ahụ ya ma mụta ezi ihe a chọrọ ka ọ mara.

Nchọcha a ga-abakwara ndị ọzọ uru dị ka:
Ụmụakwụkwọ, ndị nkụzi, na ndị na-ahụ maka mmụta. N'ebe ụmụakwụkwọ nọ, nchọcha a ga-aba nnukwu uru n'ihi na ọ ga-eme ka ụmụakwụkwọ mara mkpa ọ dị bụ inwe ezi mmekọrịta ha na ndị nkụzi ha. Ọ ga-eme ka ha nwee nsọpụrụ nye onye nkụzi Igbo, na-anọ ya nso ma na-egekwa ya ntị. Oge ahụ ka onyenkụzi ga-ahụ ha n'anya wee nwee ike ịkọwara ha ihe niile kwesịrị ka ha mara site n'inye ha nkwado ma na-agba ha ume n'ihe niile ha na-eme.

Ọ ga-emeghe anya ndị nkụzi ịmata ihe kpatara na ụmụakwụkwọ na-agbara asụsụ Igbo ọsọ ime ya. Ha ga-enwe ike iwetu onwe ha n'ala ma chịkọta ụmụakwụkwọ ha ọnụ, gosi ha ịhụ n'anya, mekwaa ka ha mara na ha dị mkpa nakwa na o nwere uru ha bara. Oge ahụ ụmụakwụkwọ ga-enwe mmasị ịmụ asụsụ Igbo ma gee onyenkuzi ntị n'ihe ọ na-akụzi.

N'ebe ndị na-achịkọta mmụta nọ, ọ ga-emekwa ka ha wepụta usoro ha ga-esi na-aga n'ụlọakwụkwọ na-eleru usoro mmụta anya na sekọndịrị dị na mpaghara Nsụka anya ịma ma e nwere ezi mmekọrịta n'etiti ụmụkwụkwọ na ndị nkụzi site n'ile anya na ngwa nkụzi nakwa ihe omume ụmụakwụkwọ merela na klaasị ha.

Nchọchaa bụkwa naanị na mmetụta mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-enwe n'ọmụmụ asụsụ Igbo na sekọndịrị ukwu nke abụọ dị na mpaghara Nsụka, Ịmakwa ka mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta ịgba mbọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ịchọpụtakwa ka mmekọrịta a si emetụta ịdị uchu n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo ka o jedebere.

Ọ bụkwa na mpaghara Nsụka ka a ga-anọ mee nchọcha n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu nke abụọ. E mekwara atụtụ mmụgharị n'isiokwu a bụ mmetụta mmekọrịta onynkụzi na ụmụakwụkwọ na-enwe n'ọmụmụ asụsụ Igbo, n'isiokwu ndịa: Asụsụ Igbo, Mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-enwe n'ọmụ asụsụ Igbo, oke na ọrụ ndị nkụzi ịhụ na e nwere mmekọrịta n'etiti ha na ụmụakwụkwọ na-aga n'iru n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ukwu dị na Nsụka. Ụzọ a ga-esi mee ka e nwee ezi mmekọrịta n'etiti ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ

Atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke Bandura (1977), John Bolby na Mary Ainsworth (1960) bụ ndị na-ekwu na mmadụ na-amụta ihe mgbe onye ahụ nọ mmadụ nso na-ahụ ihe onye ahụ

na-eme mgbe na-adighị anya onye ahụ emewe ka onye ahụ ọ na-eṅomi. Nchọcha kọwakwara agbamonwe ụfọdụ dịka ndịa:

Asụsụ Igbo malitere mgbe ndị Igbo malitere mana odide ya nwere ndọghachi azụ mgbe a malitere ịmụ odide ya dịka Nwadike (2002) siri kọwaa na amalitere ya na old Indies mgbe shonn malitere izisa ozioma nye ndị Igbo a gbara oru laa Old Indies. Mbah na Mbah (2014) kọwara asụsụ Igbo dị ka asụsụ e ji arụ ọrụ dị ka asụsụ iwu nabatara n'obodo nakwa asụsụ a na-asụ n'ọgbakọ odobe iwu nke gọọmenti Naijiria. Olundị dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo mere ka odide Igbo nwee nsogbu n'oge mbụ maka nkwekọrịta olu a ga-eji dee Igbo.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ e ji mara ndị Igbo, agbụrụ nke ọwụwa anyanwụ Naijiria. E nwere mmadụ nde iri abụọ na anọ nọ na Naijiria bụ ndị Igbo (Bauer, 2017). E nwekwara ọtụtụ ndị Igbo n'ebighị n'ala Igbo bụ ndị ruru nde asatọ n'ọgụ. ebe ndị Igbo bi bụ ndị e ji asụsụ Igbo mara bụ Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu na Imo nakwa akụkụ Rivers, Delta, Benue na Kogi, Cross River were dịrị gawa. Asụsụ Igbo nwere olundị dị iche iche mana e nwere Igbo izugbe nke ndị Igbo niile kwekọrịtara. Ọ bụ asụsụ Igbo izugbe ka e ji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ, ka e ji ede akwụkwọ Igbo nakwa ezimozi na redio nakwa ihe mgbasa ozi. Onye ọ bụla na-asụ Igbo na-aghọta asụsụ Igbo izugbe n'ihi na onweghị ndị nwe asụsụ Igbo izugbe.

Mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ka a chọpụtarala dị ka isi sekpụ ntị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ. Maka na ndị nkụzi na-arụ ọrụ pụrụ iche n'ahụ ụmụakwụkwọ gbasara agamniihu ụmụakwụkwọ nakwa ibi ezi ndụ (Ravitch, 2010). Ụmụakwụkwọ agaghị enwe ezigbo mkpọrọgwụ n'ihe gbasara mmụta ma ọ bụrụ na ndị nkụzi atọghị ezigbo ntọala nye ụmụakwụkwọ. Gọọmenti ga-arụ ụlọakwụkwọ mana ọ bụ mmadụ ga-eme ya ka ọ dị mma. Mmekọrịta onyenkụzi na ụmụakwụkwọ ya ga-eme ka mgbanwe pụta na ndụ ụmụakwụkwọ nke mmadụ ga-ahụ e wee nwee ọganiihu ụlọakwụkwọ ahụ.

Ndị nkụzi bụ ndị na-eji agụgụ isi Chineke nyere ha na-eme ka ndị ọzọ keta oke n'agụgụ isi ha ka onye ahụ nwee mgbanwe na agamniihu site na mgbanwe e nwere. Ọ bụ ya na ugwu ụmụakwụkwọ na-esite na mgbanwe ha nwetara n'aka onyenkụzi (Pianta et.al, 2012). Ndị nkụzi bụ ndị na-enyere ndị ọzọ aka inweta mmụta, ikike maọbụ ụkpụrụ. Ọ bụ aha ọrụ ha ka a na-akpọ ha maka akaọrụ e jiri mara ha. Ha bụ ndị na-eje ọzụzụ maka ikụziri ụmụakwụkwọ ihe, ime ka ha jiri ṅka dị iche iche were mee ka mmụta baa ụmụakwụkwọ n'isi ka ha nwee ezi nghọta site na mmekọrịta ha na ndị nkụzi ha. A na-ele anya na ndị nkụzi ga-abụ ndị nwere obi umeala, obi ọma, ndidi nakwa ndị jere ọzụzụ maka ndị nkụzi ma nwee nzere mmụta maka nkụzi. N'ihi na nke a ga-eweta ezi mmekọrịta n'etiti ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ha.

Ụmụakwụkwọ bụ ndị na-achọsi ike inweta mmụta bụ ndị e kpokọtara ọnụ n'otu ebe maọbụ ụlọakwụkwọ ịkụziri ha ihe n'usoro mmụta a ọpụtara maka ihe ọmụmụ ha na-amụ. Ụmụakwụkwọ dị n'ụdị n'ụdị. e nwere ụmụakwụkwọ ndị ntakara, praịmarị, sekọndịrị nakwa mahadum. Ha niile nwekwara ogogo dị iche iche ha nọ n'ime ya. Ọ bụ n'ogogo ahụ ka a na-ekpokọba ụmụakwụkwọ ma kụziere ha ihe, nke ga-eweta mgbanwe ọ bụla mgbe a kụzichara ihe.

Ṅka nkụzi bụkwanụ usoro onyenkụzi na-ewebata iji mee ka ụmụakwụkwọ ya ghọta ihe ọ na-akụzi. Ṅka dị n'ụdị n'ụdị. O nwere ṅka bụ ajụjụ, ejije, akụkọ, nkpọlite mmụọ nakwa ndị ọzọga. Onyenkụzi ga-ewebata **ya** mgbe ọ na-akụzi ihe. Ebe onyenkụzi bụ onye jere ọzụzụ nke ọma,

ọ ga-ama mgbe ọ ga-ewebata ṅka ọ bụla na nkụzi ya ka ụmụakwụkwọ were rita uru ma mụta ihe ọ na-akụzi. Onyenkụzi na-enyokwa ụmụakwụkwọ ya na-ama mgbe ha na-esonye ma ọ bụ mgbe ha anaghị esonye ka o were mara ụdịrị ṅka ọ ga-ewebata were kpalie mmụọ ụmụakwụkwọ ya.

E mere ntụlegharị agụmụ metụtara isiokwua dị ka: nke Misbah, Shabana na Safịa (2020) mere na *"The impact of schools with positive and healthy principal teacher interactions, as the elements that help and contribute to learning outcomes, character development, andcitizenship"*. Ụlọakwụkwọ sekọdịrị niile dị na Quetta district ka a nọ mee nchọcha a nke dị iri asatọ na anọ. Ndị nkụzi dị puku na narị anọ na ise (1405) ebe ụmụnwaanyị dị 734 ndị nkụzi adị 671 n'ọnụọgụ. e mere nsere họrọ ụlọakwụkwọ iri na itoolu site na tụmbọm tụmbọm. n'ime ụlọakwkwọ ahụ e seere ndị nkụzi ụmụ nwaanyị 11 na ndị ụmụ nwoke 8. Sekwara ndị nkụzi ụmụ nwaanyị 10 na otu onyisi ụlọakwụkwọ niile. Onye nchọcha weere ngwa nchọcha n'oge a chọrọ ya, ego o nwere dị ka nsogbu nwere ike ịdapụta ya na ụdị nchọcha. Ọnụ ọgụ ndị e jiri mee nchọcha pụtara 209 gụnyere ndị nkụzi 190 na ndị isi ụlọakwụkwọ 19. Njatụle bụ ma kwọlitativu na kwọntitetivu. Ndị ụsa ajụjụ ka n'ọnụ ọgụ dịnyeere na mmekọrịta ndị nkụzi na ndị isi ụlọakwụkwọ na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkụkwọ, na-emekwa ka ụmụakwụkwọ na-akpa ezi agwa n'ụlọakwụkwọ, na-emekwa ka ụmụakwụkwọ na-emeso ụmụakwụkwọ ibe ha nke ọma.

E nwere ndịiche na nchọcha Misbah na ndị ọzọ na nchọcha a n'ihi na nchọcha nke Misbah na-ekwu maka ndi isi ụlọakwụkwọ na ndị nkụzi, ebe nke ugbu a na-ekwu maka ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi. Ọ bụkwa na Quetta district ka a nọrọ mee ya, ebe nke a bụ na Nsụka ka a nọrọ mee ya.

Arijiaq, Silva na Denisa (2021) mere nchọcha na mmetụta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-enwe na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị nọ n'agbata afọ 12 ruo 15 ndị ka nọ na praịmarị. Ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha dị 121. A chọpụtara na ihe na-ejikọ ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ bụ omume dị iche iche si n'ime mmadụ apụta dị ka: oke iwe, ụdịdị mmadụ, nakwa ihe mmadụ na-eme ka a chọpụtara na-emetụta ndị nkụzi nakwa ụmụakwụkwọ. Mana ọ dị iche na nchọcha nke a n'ihi na ọ bụ na Benue steeti nakwa ụlọakwụkwọ praịmarị ka a nọrọ mee ya , ebe nke ugbua bụ na sekọndịrị ka a nọrọ mee nchọcha ma bụrụkwa na Nsụka ka a nọrọ mee nke ugbu a.

Nleghariadịm ka e jiri mee nchọcha nke na-egosi otu njatụle metụtara nsogbu a na-ekwu maka ya si adị. Nworgu (2015) na-ekwu na ụdị njatụle a na-egosi otu esi enweta ya, kọwaa ya n'ụdị n'ụdị ya n'ihi na e ji njụmaza enweta njatụle. Ọ bụkwa na mpaghara Nsụka ka a nọrọ mee nchọcha; ma Nsụka dị na mgbago ugwu nke steeti Enugwu. E jikwa ọrụ oyibo mara ndị Nsụka n'ihi mahadum ukwu dị na Nsụka.. Ụfọdụ na-azụkwa ahịa, ụfọdụ na-akọkwa ugbo. Ndị ọbịa bikwa nnukwu na Nsụka maka ọrụ ha na-arụ na mahadụm.

nụọgụ ndị e jiri mee nchọcha dị otu narị (100), ndị a họọrọ n'ọnụọgụ 1020 nke ndị *Post Primary School Management Board, Enugu* mere ndị a họọrọ n'ụlọakwụkwọ dị iri atọ na abụọ (32); serekwa ụmụakwụkwọ ise n'ime ha ya na ndị nkụzi ise n'ime ha.

Ọ bụkwa njụmaaza ka e jiri nweta njatụle nke e kewara n'ọyọ n'ọyọ. Ọyọ nke 'A' bụ maka onye na-asa ajụjụ, ebe ọyọ 'B' na-ajụ maka isiokwu bụ mmetụta ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi na-enwe n'ihi mmekọrịta dị n'etiti ha.

Ndị ọka mmụta abụọ sitere na ngalaba ńka mmụta edukeshọn nke Nsụka nyochara ngwa njatule a ma nye ntụzi aka nke ha nke mere ka ọ pụta n'ụdị ọ dị. Onye nchọcha jikwara aka ya kee njatule ma nakọta ha niile ka a ghara inwe nke a chọrọ. E jikwa miin na ndịpun'izugbe wee hazie njatụle a. ebe ntụ nlere anya bụ:-

Ụsa	**Ntọ**	**Mpụtara**
Nke Ukwu (NU)	3.50- 4.00	4
Osoje Nke Ukwu (ONU)	2.50 – 3.49	3
Obere (O)	1.50 – 2.49	2
Nke Pekarịchara (NP)	0.50 – 1.49	1

Ụsa nchọpụta

Ajụjụ nke mbụ: Kedụ ka mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo na sekọndịrị ukwu dị na mpaghara Nsụka steeti Enugwu?

Tebulu 1 Miin na Ndịpun'izugbe n'ụsa otu mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na sekọndịrị ukwu11 na mpaghara Nsụka

Ngụ	Ndịna	Miin	NI	Mkpebi
1.	Inwe mmetụta na onyenkụzi na-akwado ma ghọta ya	3.60	0.80	N.U
2.	Onyenkụzi na-emeso ụmụakwụkwọ nke ọma ma na-akwanyere ụmụakwụkwọ ugwu na-egekwa ha ntị	3.92	0.94	N.U
3.	Onyenkụzi naakpanyere ụmụakwụkwọ ụka iji mee ka ha ghọta Igbo nke ọma.	3.45	0.50	O.N.U
4.	Onyenkụzi ike ka ụmụakwụkwọ na-eru ya nso na-egekwa ha ntị.	3.37	0.58	O.N.U
5.	Onyenkụzi ime ka ụmụakwụkwọ nwee ohere ịbịakute ya.	4.0	0.74	N.U
	Mkpokọta	4.10	0.81	N.U

Ụsa Ajụjụ na Tebulu nke mbụ na-egosi mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo na sekọndịrị ukwu 2 na mpaghara Nsụka nke steeti Enugwu. Ọ na-egosi na ndịna 1,2, na 5 nwere ntụ miin 3.92, 4.0 na 3.60 nke karịrị 2.5 bụ ntọ e debere maka nnabata nke dị elu. Nke a pụtara na ndị ụsa ajụjụ kwenyere n'ajụjụ a jụrụ maka mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na mmeta nke ọma ha n'asụsụ Igbo. Ndịna 3 na 4 nwere ntọ miin 3.37 na 3.45 nke pụtara na ndị ụsa ajụjụ kwenyere na ndịna ndị nkụzi ịkparịta ụka ha na ụmụakwụkwọ nakwa ndị nkụzi ikwe ka ụmụakwụkwọ na-abịaru ha nso ga-eme ka ha nwee ike ime nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo. ma ụsa ha enweghị ihe dị iche nnukwu n'etiti ha. Nke a na-egosi na mkpokọta miin 4.10 na ndipun'izugbe nke pụtara 0.81 na-egosi na ọ na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ.

Ajụjụ nchọcha nke abụọ: Kedụ otu mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta agbam mbọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

Tebulu 2: Miin na Ndịpun'zugbe n'ihe gbasara mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na agbam mbọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ngụ	**Ndịna**	**Miin**	**NI**	**Mkpebi**
6	Ụmụakwụkwọ na-agba mbọ nnukwu mgbe ndị nkụzi na-akwado ụmụakwụkwọ ha.	3.5	0.61	N.U
7	Ụmụakwụkwọ anaghị echegbu onwe ha mgbe ndị nkụzi na-akwado ha	3.2	0.54	O.N.U
8	Ụmụakwụkwọ na-agba mbọ na-eme nnwale e nyere ha ebe ha maara ndị onyenkụzi ha na-akwado ha.	3.3	0.63	O.N.U
9	Onyenkụzi ọ bụla na-ege ụmụakwụkwọ ntị ka ụmụakwụkwọ na-ejekwuru karịa.	3.15	0.83	O.N.U
	Mkpokọta	3.33	0.59	O.N.U

Ụsa ajụjụ na Tebulu 2 gosirị na ndịna 6, 7, 8 na 9 nwerentọ miin 3.5, 3.2, 3.3, na 3.15 nke kwenyere n'ajụjụ nke 6 ruo 9 nke nwere mkpokọta miin 3.33 na ndịpun'izugbe 3.3. nke gosiri na ha kwenyere n'ajụjụ niile onye nchọcha jụrụ.

Ajụjụ nchọcha nke atọ: **Kedụ otu mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ ịdị uchu n'ọmụmụ asụsụ Igbo?**

Tebulu nke 3: Miin na ndịpun'izugbe out mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ si emetụta ịdị uchu ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ngụ	Ndịna	Miin	NI	Mkpebi
10	Ụmụakwụkwọ na-enwe agbamume isonye na mkparịtaụka, na-aza ajụjụ ma na-esonyekwa mgbe ụmụakwụkwọ narụkọ ọrụ ọnụ	3.73	0.51	N.U
11	Ụmụakwụkwọ na-enwe mmasị ha na ndị nkụzi ha ịkpa nkata na-enye aka ime ka ndị nkụzi ha ghọta nsogbu ha na-enwe n'ọmụmụ asụsụ Igbo	3.34	0.59	O.N.U
12	A na-eme ka ụmụakwụkwọ na-aba n'ọbọ akwụkwọ ịgụ akwụkwọ	3.83	0.45	N.U
13	Ụmụakwụkwọ na-enwe ike imekọrịta ha na ụmụakwụkwọ ibe ha mgbe e kere ha n'otu n'otu.	3.00	0.82	O.N.U
	Mkpokọta	3.41	0.56	O.N.U

Ụsa ajụjụ na Tebulu nke atọ gosiri na ndịna 10, 11, 12, na 13 nke bụ 3.73, 3.40, 3.83 na 3. 00 karịrị ntọ 2.5 nke gosiri na ndị ụsa ajụjụ kwenyere na ndịna niile dị n'ajụjụ a.

Ajụjụ nchọcha nke anọ: Kedu nsogbu na-emetụta mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na sekọndịrị ukwu 2 na mpaghara Nsụka?

Tebulu 4: Miin na Ndịpun'izugbe n'ụsa nsogbu na-emetụta mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na sekọndịrị ukwu 2 na mpaghara Nsụka.

Ngụ	Ndịna	Miin	NI	Mkpebi
14	Ndị nkụzi na-agbalisi ike inwe mmekọrịta ha na ụmụakwụkwọ, kama ọrụ dịịrị ha bụ nsogbu.	3.23	0.41	O.N.U
15	Ihe ịma akan'ihu na-adịkwa n'ihi ebe agbụrụ dị iche iche ụmụakwụkwọ siri bịa ya na ogogo nne ha na nna ha nakwa ụdịrị ezinaụlọ ha si pụta.	3.40	0.65	O.N.U

16	Ijikwa omume ọjọọ niile na klaasị na-eme ka a ghara inwe ezi ntụkwasịobi na ezi ama nye ụmụakwụkwọ	3.44	0.55	O.N.U
17	Asụsụ dị iche iche ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-asụ bụ ihe so eme ka mmekọrịta ghara ịdị n'etiti ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ.	3.00	0.78	O.N.U
	Mkpokọta	3.65	0.65	O.N.U

Ụsa ajụjụ 14 – 17 gosiri na e nwere miin malitere na 3.00 wee ruo 3.44 nke gafere 2.5 bụ ntọ e debere maka nlere anya. Nke a pụtara na ndị niile nyere ụsa kwenyere na ndịna niile nọ n'ajụjụ a gbasara isiokwu a na-ekwu maka mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Mkpokọta miin bụ 3.65 na ndịpun'izugbe 0.65. Nke a gosiri na ndị sara ajụjụ kwenyere na ndịna niile dị na tebulu a.

Ntụnye aro

1. Site na nchọpụta niile e mere, a chọpụtara na mmekọrịta ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị na mpagbara Nsụka na steeti Enugwu.

2. Ndị isi ụlọakwụkwọ ga-eguzobe ọzụzụ ndị nkụzi nke ga-azụ nsị nkụzi n'ihe gbasara mmekọrịta ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi ebe a ga-eme ka ndị nkụzi ọ bụla na-abata ọ hụrụ gana-amụ maka ezi mmekorịta ndị nkụzi na ụmụakwukwọ. A ga-azụkwa ndị ochie burula ụzọ nọrọ n'ụlọakwụkwọ ka ha nwee ike inye aka zụlite ndị na-eso ha n'azụ.

3. Ndị na-ahụkwa maka mmụta na ndị gọọmenti ga-agba mbọ hụ na e nwere ọmụmụ ebe a na-azụ ndị nkụzi nke ga-arụtụ aka maka omenala dị iche iche e nwere ka ndị nkụzi mara ha ma nwee ike ịmata otu e si akụziri ndị na-abụghị ndị Igbo asụsụ Igbo ka ha nwee ike ịmata ya. Ha ga-amakwa naIgbo nwere olundị dị iche icheka ha jiri nwayọọ na-anagide ụmụakwụkwọ ma na-akọwara ụmụakwụkwọ Igbo izugbe ka ha were ghọta ya nke ọma.

Ndịna

Adeoye, J.M. (2013). Trends in Cost and Productivity of Secondary Education in Ogbomosho Central Local Government Area of Oyo State. Unpublished M.Ed. Thesis. University of Ibadan.

Bandura, A. (1977). "Self-Efficacy: Toward a Unifying Theory of Behavioral Change", a Seminal work that introduced the concept of self-efficacy and its role in human behavior. https://psycnet.apa.org

Bauer, L. (2017). *The Linguistics students' handbook*. Edinburgh: University Press.

Bolby, J. & Ainsworth, M. (1960). Attachment Theory: https://www.verywellmind.com

Castelli, D.M., Barcelona, J.M., & Bryant, L. (2015). Contextualizing Physical Literacy in the school environment: The Challenges. *Journal of Sport and Health Science,* 4 (2), 156 -163.

Downer, J.T. (2012). A course on effective teacher-child interactions: Effects on teacher beliefs, knowledge and observed practice. *American educational research journal*, 49 (1), 88 – 123.

Downer, J.T., Stuhlman, M., Schweig, J., Martinez, J.F., & Ruzek, E. (2015). Measuring effective teacher-student interactions from a student perspective: A multi-level analysis.*The journal of Early Adolescence*, 35 (5 – 6), 722 – 758.

Egbokhan, B. (2016). Executive Stress and Inculcation: A lecture note in industrial psychology. Federal Polytechnic Bauchi.

Federal Republic of Nigeria (2014). National Policy on Education.Federal Ministry of Education

Proverbs 27: 17 – 18. Iron sharpneth Iron…New Living Bible.

Iwuala, O.G. (2021). Technology and cultural preservation; The issues with Africa. Retrieved from http://www.language.org

Kranea, V., Nessa, O., Holter-Sorensena, N., Karlssona, B., & Binderb, P. (2017). You notice that there is something positive about going to school: How teachers' kindness can promote positive teacher-student relationship in upper secondary school. International Journal of Adolesence and Youth, 22 (4), 377 – 389.

Mark, U.C. (2014). Development perspective on the self-esteem.in P.H. Mussen (Ed). Handbook of child psychology, 4 (2), 6 – 10.

Mbah, B.M. na Mbah, E.E. (2014). Atụtụ amụmamụ asụsụ. Enugu: University of Nigeria Press.

Ngaka, W., Openjuru, G., & Mazur, R.E. (2012). Exploring formal and non-frmal education practices for integrated and diverse learning environments in Uganda.

Nwadike, I.U. (2002). *Igbo language in education: An historical study.* Uruowulu- Obosi: Pacific publishers.

Nurmin, J.E. (2014). Students' Characteristics and teacher-child relationships in instruction: a meta-analysis, *Educational Research Review*. 7 (30), 177 – 179.

Nweke, O. (2021). Ethnographic: Way forward. Retrieved from http://www.language.org

Nworgu, B.G. (2015). *Educational research basic issues and methodology*. Ibadan: Wisdom Publishers.

Odo, C.C. & Onwuka, G.T. (2024). Adimire kọmputa na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ Abụ Ederede Igbo na Zoonu Mmụta Nsukka na Steeti Enugu. *International Journal of Arts and Technology Education* (IJATE) 13 (1), 33 – 47.

Ofomata, C.E. (2015). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Format Publishers (Nig).

Oyima, I.Y. (2022). Digitaliztion of linguistic heritage. Retrieved from http://www.google.com

Pianta, R.C., Hamre, B.K., & Allen, J.P. (2012). Teacher-Student relationships and engagement: Conceptualizing, measuring, and improving the capacity of classroom interactions. *Handbook of research on students' engagement*: Springer, 365 – 386.

Roorda, D.L., & Koomen, H.M.Y.., Spilt, J.L., & Oorta, F.J. (2011). The influence of effective teacher-student relationships on students' school engagement and achievement: A meta-analytic approach. *Review of Educational Research*, 81 (4), 493 – 529.

Stephanou, G., & Doulkeridou, M. (2020). Parental Competence belifs and attributions for achievement in kindergarten: Effects on Parent expectations for later school achievement. *International Journal of Social Science Research*, 8 (2), 199 – 224. https://doi.org/10.5296/ijssr.v812.16766

Ugbor, G. & Obayi, J.I. (2024). Nkanụụzụ Dika Ngwa Nchekwaba Asụsụ na Omenala Igbo na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naijiria. *International Journal of Arts and Technology Education* (IJATE), 13 (1), 17 – 24.

Verger, A., Altinyeiken, H.K., & Novelli, M. (2018). Global education policy and international development: New agenda, issues and policies. Bloomsbury Publishing.